## UKA NKE IRI NA ATO N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME, AFO NKE ABUO

**EKPERE MMEGHE:**

O Chineke, o soro Gi ime ka anyi buru umu nke ihe site n'amara nke ogbugba ndu anyi na Gi. Biko, e kwela ka anyi daba n'ochichiri nke njo, kama mee ka anyi chawaputa mgbe nile na mmukesi nke ezi okwu Gi. Site n'Onyenweanyi Jesu Kristi…..**AMEN**

**IHE OGUGU NKE MBU:** Amamihe 1:13-15; 2:23-24

**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Amamihe**

Onwu abughi ihe Chineke mere. Imebi ihe di ndu anaghi amasi Ya. O kere ihe dum ka ha wee di. Ihe nile e kere eke n'elu uwa bu ihe na-amuba ndu n'ime ha. O nweghi nke o bula n'ime ha e nwere ike ichota nsi na-egbu egbu. Ala mmuo adighi ebe o bula n'elu uwa. Maka na ike ezi omume bu anwu anwu. Chineke mere mmadu ka o buru anwu anwu. O mere mmadu n'oyiyi nke Ya bu Chineke. Ma o bu ekworo nke ekwensu, butere onwu n'uwa. Ndi otu ekwensu ga achoputa ufu onwu.

**Okwu nke Oseburuwa** Ekene diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA:** Ps.30:2, 4-6,11-13

**Az: Onyenweanyi, aga m eto Gi, n'ihi na I zoputala m.**

1. Onyenweanyi, aga m enye Gi nnukwu otito n'ihi na I zoputara m nke oma. I kweghi ka ndi iro chia m ochi. Onyenweanyi, o bu n'ala mmuo ka Isi kpoputa m; biakwa chekwaba m, ka m ghara idi ka ndi e liri n'aja. **Aziza.**
2. Unu bu ndi kwerenu, kweerenu Onyenweanyi ukwe otito. Nyenu aha nso Ya ekele. N'ihi na iwe Ya na-abu so otu ntabi anya. Ma obi oma Ya na-esi na ndudugandu ruo na ndudugandu. N'anyasi, ikwa akwa ga-abata. Ma onu ga-adi na chi obubo. **Aziza.**
3. Biko Onyenweanyi, nuru, mekwaara m amara. Biko Onyenweanyi buru onye enyemaka m. I gbanwoola iru uju m ka o ghoo onu. Biko Onyenwe m na Chineke m, aga m enye Gi ekele mgbe ebighi ebi. **Aziza.**

**IHE OGUGU NKE ABUO:** Korint 8:7, 9, 13-15

**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi nke Abuo Pol di aso degaara ndi Korint**

Unu bakariri ndi ozo n'uba n'ihe nile – ma n'okwukwe, ma na ikwuwa okwu, ma n'ighota ihe, ma n'inwe inu oku n'obi maka ihe o bula, ma n'iketa oke kacha ibe ya n'ihunanya anyi. N'ihi ya, anyi na-atu anya, na ihe unu ga-enye n'onyinye obi oma nke a, ga-akari nke ndi ozo. Chetanu ka obi oma Onyenweanyi Jesu si buo ibu! O bu ogaranya dara ogbenye n'ihi anyi; ka O wee mee ka anyi si n'ida ogbenye anyi, ghoo ogaranya. Nke a aputaghi na m choro ka unu nye n'uzo ihe ga-esi siere unu ike n'ihi na unu nyere. Kama, ebe unu nwere hie nne ugbu a, o bu ihe di mma ka unu nyere ndi ozo no na mkpa aka. Mgbe unu ga-anokwa na mkpa ha ga-enyere unu aka ma ha nwee hie nne. N'uzo di otu a onye o bula ga-enwe ihe di ya mkpa. Nke a bukwa ihe akwukwo nso kwuru, "Nwoke ahu chikotara hie nne agaghi enwe karia. Nwoke ahu chikotara ihe di nta ga-enwezukwa ihe o choro."

**Okwu nke Oseburuwa** Ekene diri Chukwu.

**ALELUYA:** Jn. 17:17

***Aleluya, Aleluya!*** Onyenweanyi, okwu Gi bu ezi okwu. Were ezi okwu Gi doo anyi nso. ***Aleluya!***

**OZIOMA:** Mak 5:21-43

**Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Mak dere**

Mgbe Jesu jichara ugbo mmiri kufee n'ofe osimiri, nnukwu igwe mmadu gbara Ya gburugburu, n'ebe O no n'agiga mmiri. Otu n'ime ndi na-achi ulo nzuko ndi Juu, onye a na-akpo Jairos biara, hu Ya, daa n'ukwu Ya; were obi ya nile na-ario Ya si: "Nwa m nwanyi nke ntakiri dara nnukwu oria. Biko bia bikwasa ya aka, ka o dihi, nwetakwa ume ndu". Jesu sooro Ya. Nnukwu igwe mmadu nudoro sowe Jesu, ma-akpagide Ya ebe nile. Ma e nwere otu nwanyi na-aria oria ohuhu-obara kemgbe afo iri na abuo. O teela nwanyi a gwowara onwe ya, n'aka ndi dibia di iche iche. Ihe dum o kpatara agwula, ebe o na-agwo onwe ya. Kama oria ga-adi mma, o na-aka njo. O nula maka Jesu, wee si n'azu,ebe ahu igwe mmadu juru, bia metu Ya aka n'uwe. Maka na o kwuru n'obi ya si: "O burugodu uwe Ya ka m nwere ike imetu aka, ahu ga-adi m mma". Ihe nile mekwara di ka nwanyi a si chee ya n'obi ya. N'ihi na mgbe o meturu Jesu aka obara ahu kwusiri igba. O matakwara na ahu adila ya mma. Mgbe ahu kwa ka o meturu Jesu n'ahu na ike esila n'ime Ya puo. O tughariri n'etiti igwe mmadu ahu, juwa, si "Onye meturu uwe M aka"? Umuazu Ya siri Ya: "I huru ebe igwe mmadu kpagidere Gi, wee na-aju si: "Onye meturu M aka?" Ma O nogidere na-eleghari anya ebe nile, ka O hu onye mere ihe ahu. Mgbe ahu ka nwanyi ahu ji mara jijiji, ebe ujo ji ya, wee gbagote; maka na o ghotara ihe mere ya n'ahu. O biara daa n'ala n'ukwu Jesu, wee gwa ya ezi okwu nile. Ma Jesu siri ya: "Nwa M nwanyi, okwukwe gi agwoola gi. Ngwa, lawa n'udo! Burukwa onye nweere onwe ya site na-oria. Mgbe O ka kpu okwu n'onu, ndi si na be onye ochichi ulo nzuko ahu, biara si: "Nwa gi nwanyi anwuola. O dikwa mkpa ozo isogbu Nna anyi ukwu?" Mgbe Jesu nuru ozi ahu, O gwara onye ochichi ahu si: "A tula egwu! Nani ihe i ga-eme bu inwe okwukwe!" O kweghi ka onye o bula ozo soro Ya jee, ma o bughi Pita, Jemis na nwanne Jemis bu Jon. Mgbe ha biaruru n'ulo onye ochichi ahu, Jesu nuru uzu na mkpotu; ndi na-akwa akwa, na ndi na-eti mkpu ka o si di ha mma. O banyere si ha: "Gini ka unu na-emere mkpotu, na-akwa akwa, na-eti mkpu? Nwata ahu anwughi anwu. O na-aruhu ura." Ma ha chiwara Ya ochi. O wee chupusia ha, kporo nne na nna nwata ahu, na Umuazu Ya, wee banye ebe nwata ahu dina. O selitere nwata ahu n'aka, si ya: "Talita kum", nke putara, "Nwa agboghobia, asi M gi, kulie". Nwata nwa agboghobia ahu kuliri mgbe ahu, bido na-agaghari. O bu nwata gbara afo iri na abuo. Egwu biara jide onye o bula. Jesu doro ha aka na nti, ka ha ghara ime ka onye o bula mata maka ya; biakwa gwa ha, ka ha nye nwata ahu nri ka o rie.

**Ozioma nke Oseburuwa** Otito diri Gi, Kristi.

**EKPERE NHUNYE:**

O Chineke, o bu site na ebere Gi ka I ji nye anyi ihe ogbugba ndu di iche iche ka ha na-enyere anyi aka. Biko mee k'anyi nwee ike ihunyere Gi aja Misa nunwa n'uzo nke kwesiri onyinye ndi ahu I nyere anyi. Site na Kristi Dinwenu anyi……**AMEN.**

**EKPERE A NATACHAA ORIRI NSO:**

Onyenweanyi, anyi na-ario Gi, mee ka aja nke a anyi chunyere Gi, na oriri nso nke anyi natara, nye anyi ndu n'ime Gi. Biko, mee ka anyi na Gi buru otu n'ihunanya mgbe nile; ka anyi wee na-amita mkpuru nke ga-eru mgbe ebighi ebi. Site na Kristi Dinwenu anyi….. **AMEN.**